# ỌGBỤGBANDỤ ỌHỤỤ AHỤ

**Ndi-Hibru 9:6-28.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 440**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na Kraist abàgh n'ebe nsọ eji aka me, bú ihe-atù yiri ebe nke bu ebe nsọ n'ezie; kama Ọ bàra n'elu-igwe onwe-ya, igosi Onwe-ya n'iru Chineke n'ihi ayi ugbu a" (Ndi-Hibru 9:24).**

### Ebe Nsọ Ahụ

**"Ma ebe edoziworo ihe ndị a otú a, ndi-nchu àjà nābà n'ulo-ikwu mbu mgbe nile, nēkpezu ekpere nile ha" (Ndi-Hibru 9:6)**

Site na nke a ihe "Ulo-ikwuu mbu" ahụ pụtara bụ Ebe Nsọ ahụ. Ná nkebi a ka edebeworo iheịdọba orịọna nke ọlaedo ahụ n'akụkụ akaekpe mgbe ị naabá, ná okpokoro nke atụkwasịrị ogbeachịcha nke anaeche n'iru Chineke n'akụkụ akanri. N'ezi nchérịtairu tupu eruo ákwàmgbochi ahụ ka ebeịchụàjà nke ihe nsureọkụ ahụ náesi ísìụtọ guzo.

### Ogbe achị cha ahụ Anaeche N'iru Chineke

Ana agbanwe ogbeachịcha ahụ nke anaeche n'iru Chineke kwa Ụbọchị izuike. Ha dị ogbeachịcha iri na abụọ, isii n'otù ahịrị, na anọchita anya ebo iri na abụọ, nke ndị Israel. Dika anaeme ka ha dị ọhụụ, anaewepụ ndị ochie ma were ha nye ndịnchụàjà. O ziriezi n'iwu ka ha rie ogbeachịcha ahụ nke anaeche n'iru Chineke.

Enyewo anyị nkọwa nke a mgbe Jisọs sịrị:

**"Mu onwem bu nri di ndu nke siri n'elu igwe ridata: ọ buru na madu erie ufọdu nime nri a, ọ gādi ndu rue mgbe ebigh-ebi: ma nri nke Mu onwem gēnye kwa bu anu-arum, n'ihi ndu nke uwa" (Jọn 6:51).**

Jisọs ebe Ọ bụ Okwu ahụ nke ghọrọ mmadụ, anyị nwere ụdị nkọwa nke achịcha ahụ: ọ bụ Okwu Chineke. Job sịrị na Okwu ahụ bụ ihe dị mkpà nye ya karịa iheoriri ya. Anyị hụrụ na egosịrị n'ijéozi niile nke Ụlọikwuu ahụ na ihe ahụ dị mkpà iji chebe anụarụ bụ kwa ụdị nke ihe ahụ dị mkpà iji chebe mkpụrụobi.

### Ebe Ịchụàjà nke Ọlaedo Ahụ

Ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ bụ ebe ịchụàjà nke ihe nsureọkụ náesi ísìụtọ. Ndịnchụàjà ahụ n'ijéozi ha kwaụbọchị ụtụtụ na anyasị na esure ihensureọkụ náesi ísìụtọ n'elu ebe ịchụàjà a. Onyenchụàjà nwe ijéozi (ndịnchụàjà naejéozi n'usoro, onye ọ bụla mgbe oge nke ya ruru) naewere ichekuọkụ site n'ebe ịchụàjà nke ọla ahụ ebe emere ka ọkụ ná enwu mgbe dum tinye kwa ya nime iheịgụọkụ ya. Anaechè na ọ naatụkwasị ichekuọkụ niile ahụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ wee tụkwasị ihensureọkụ náesi ísìụtọ n'elu ya.

Ịdịmkpa nke ebe ịchụàjà nke ihe nsureọkụ ahụ náesi ísìụtọ ka egosipụtara n'isi 8 nke Nkpughe, ebe otù mmụọozi nke ji ihe ịgụọkụ nke ọlaedo naeguzo n'iru ebe ịchụàjà ahụ wee náeche n'iru Chịneke ihe nsureọkụ ahụ náesi ísìụtọ ya na ekpere niile nke ndịnsọ; ihe nsureọkụ ahụ náesi ísìụtọ na ekpere niile nke ndịnsọ ahụ naarịgokwuru kwa Onyenweanyị. Ihensureọkụ náesi ísìụtọ naegosi ekpere.

Nke ahụ bụ ihe onye dere Abụ̀ Ọma na arụtụaka mgbe ọ sịrị:

**"Ka edozie ekperem dika ihe-nsure-ọkụ nēsì ísì utọ n'iru Gi; Ka nchili ọbu-akam buru onyinye-inata-iru-ọma nke anyasi" (Abù Ọma 141:2).**

### Ebe Nsọ nke Kachasị Ebe Nsọ Niile n'Ụbọchị nke Mkpuchimmehie

**"Ma náni onye-isi-nchu-àjà nāba n'ulo-ikwu nke-abua, náni otù mgbe n'arọ, nāgbagh aka ọbara nke ọ nēche n'iru Chineke n'ihi onwe-ya na n'ihi amagh-ama nile nke ndi Israel" (Ndi-Hibru 9:7).**

Ọ bụ n'iru Ebe Nsọ nke kachasị Ebe Nsọ niile ka ákwà mgbochi ahụ kokwasịrị, n'ịchọ mma dị ukwu, eji kwa Cherubim abụọ chọọ ya mma. Eji ihe dị óké ọnụahịa mee ya. Ọ dịghị onye ọzọ náaba nime ebe ahụ ma ọ bụghị onyeisi nchụàjà náánị ya otù ugbò n'arọ n'Ụbọchị Mkpuchimmehie. Ụmụ Israel naebu ọnụ n'ụbọchị a na ákwà kwaákwá n'iru Onyenweanyị. Ọ bụ oge nchègharị nke mba ahụ. Onyeisi nchụàjà naaba nime Ebe Nsọ nke kachasị Ebe Nsọ niile náewere ọbara ókéehi ahụ nke egburu n'elu ebe ịchụàjà nke ọla wee buru ụzọ kpuchie mmehie nke onweya mgbe ahụ kwa ya ekpuchie mmehie niile nke ndị ahụ na kwa nke ndịnchụàjà. Ọ naabịghachi n'ebeịchụàjà nke ọla ahụ nke náeguzo nime ogige ahụ.

Ana ewebata ewu abụọ. Otù nime ha ka anaegbu; n'elu nke ọzọ kwa ka ọ na ebikwasị aka ya abụọ wee kwupụta mmehie niile nke ndị ahụ; emesịa anaachụpụ ewu ahụ baa nime ọzara. Ewu abụọ ndị a bụ ụdị Jisọs Onye bụ ewuọpụpụ na kwa àjà achụrụ maka anyị.

**Igbeọgbụgbandụ ahụ, Ocheeze Amara na Shekina ahụ**

Nime Ebe Nsọ nke kachasị Ebe Nsọ niile ahụ ka Igbeọgbụgbandụ̀ ahụ dị, nime ya ka mbadamba Nkume ahụ dị. N'elu iheeji ekpuchi Igbe ahụ ka enwere cherubim abụọ náecherita onweha iru, nku niile ha naemetụ ibe ha. Ha naanọchita anya ndị mmụọozi. N'ebe ahụ ka ha naeleba anya n'Iwu ahụ nke dị nime Igbe ahụ. Ikpé nke Chineke chọrọ ịbịaru n'ọ̀tụ̀tụ̀ nke ụ̀kpụ̀rụ̀ niile ahụ nke enyere nime Iwu ahụ, ma n'etiti cherubim ndị ahụ na Iwu ahụ ka enwere Ocheeze Amara. Nke ahụ gosipụtara ebere nke Chineke. Mgbe ụmụmmadụ náenweghịike iru n'ọ̀tụ̀tụ̀ nke iwu na ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile, enyere ebere. Ná Ndị Rom 3:25 anyị naagụ, ebe Pọl naekwu ihe banyere Jisọs:

> **"Onye Chineke chere n'iru ọra madu ka Ọ buru ihe ijuru Ya obi, site n'okwukwe ekwere n'ọbara-Ya, …"**

Okwu ahụ "Ihe ijuru Ya obi" bụ otù okwu ahụ dịka nke ahụ akpọrọ Ocheeze Amara. Ya mere Jisọs ghọrọ Ocheeze Amara ọ bụghị nye náánị Ndị Ju kama nye kwa ụwa niile. Ọ dịghị ihe metụtara ijéozi nke Ụlọikwuu ahụ maọbụ ihe ịchọmma ya niile, nke náenweghị ihe ọ pụtara. Ọ dịghị ihe ọ bụla emere náenweghị ezi nhazi.

N'elu Ocheeze Amara ahụ ka Shekina nke Onyenweanyị naenwu, bụ́ ìhè ahụ náenwuenwu nke na ọ bụghị mmadụ tinyere. Ka ndị Israel naamá ụlọikwuu ha, ogidi igweojii ahụ n'ehihie na ogidi ọkụ ahụ n'abalị naanọdụ Igbeọgbụgbandụ ahụ. Ọ bụ ihe náegosi nnọnyere nke Chineke n'etiti ha. Ebe Nsọ a kachasị Ebe Nsọ niile, n'ihi nke a, na anọchitaanya ebe obibi nke Chineke n'OnweYa; ọ dịghị kwa onye ọ bụla n'etiti ụmụ Israel nke pụrụ ịbịaru ebe ahụ nso, ọbụná ndị nchụàjà -- náánị onyeisi nchụàjà, ya onweya kwa náánị otù ugbò n'arọ, n'Ubọchị Mkpuchimmehie.

Ọ naechetara anyị okwu niile ahụ nke Pọl mgbe ọ naasị ọ dịghị onye pụrụ ịbịaru ìhè Ya nso. (Lee 1 Timọti 6:16).

**Ọgbọ nke Mmụọ Nsọ ahụ**

> **"Mọ Nsọ nēgosi nka, na akēmegh ka uzọ ibà n'ebe nsọ ahụ puta ìhè, mgbe ulo-ikwu mbu ahu nēguzogide ugbu a" (Ndi-Hibru 9:8).**

Nke a naeme ka o doo anya na Ụlọikwuu ahụ na ijéozi ya niile bụ náánị ihe naadị nwa oge. Ọ naegosi kwa onyinye nke Mmụọ Nsọ ahụ dịka anyị gaahụ́ ugbu a site n'akụkụ ụfọdụ nke iheedere n'Akwụkwọnsọ. Emebeghị ka Ebe ahụ kachasị Nsọ pụtara doo anya mgbe Ụlọikwuu ahụ naeguzo, kama nke a naegosi na oge na abịa mgbe agaeme ka ihe ọ pụtara pụta ìhè. Ọ naegosi kwa na ọgbọ nke Mmụọ Nsọ ahụ malitere mgbe Jisọs banyere n'ọ́kwá nke Onyenchụàjà Ya. N'ihi nke a Ọ sịrị ndị náesoụzọ Ya, "Otú ọ dị, Mu onwem nāgwa unu ezi-okwu; Ọ bu ihe bara unu urù ka Mu onwem la: n'ihi na asi na alaghm, Onye-nkasi-obi ahu agagh-abiakute unu; ma ọ buru na alam, M'gēzite Ya nye unu" (Jọn 16:7). Mgbe Ọ rịgooro n'Eluigwe site n'Ugwu Olive ahụ Ọ banyere nime Ụlọikwuu ahụ nke ịnọchi n'ọ́kwá Ya nke abụọ, nke ịbụ Onyenchụàjà. Ọ bụ n'oge ahụ ka ezitere Mmụọ Nsọ.

**Ụdị dị icheiche**

> **"Bú ulo-ikwu nke bu ilu aturu oge nke di ugbu a; anēche kwa ma onyinyo ma àjà n'iru Chineke dika ulo-ikwu ahu si di, bú ihe nāpugh ime onye nēkpe ekpere ka o zu okè, …" (Ndi-Hibru 9:9).**

Nke ahụ naeduru anyị jee ijụpụta: òlee kwanụ urù nke dị nime ịchụàjà ndịa? Gịnị mere Chineke jiri rọpụta ha ma ọ bụrụ na ọ dịghị ụzọ apụrụ isi rue izuòkè nke imemmụọ? O nwere mkpà ọ dị náánị na ọ naatụ̀ aka n'ihe nke imemmụọ. Ịchụàjà na onyinye ndị a niile enweghị urù ha bara n'onweha; ma ebe Ndị Ju sụrụ ngọ̀ngọ̀ n'ijéozi nke Testament ochie a bụ na ha enweghịike ịhụta Jisọs onye àjà ndị ahụ niile naatụaka. Onyinye na àjà ahụ niile tụfuru nnọọ ihe ahụ dị mkpà nke ha naatụ̀aka wee ghọọrọ ha ihe kachasị mkpà. Onyinye ahụ n'onweya bụ náánị onyinye.

Jisọs tọrọ ntọala nke ụ̀kpụrụ̀ nke Nrianyasị nke Onyenweanyị. Nke ahụ kwa n'otù ụzọ naadakọta n'ụ̀kpụ̀rụ̀ niile ndịa nke ha nwere n'okpuru Agha Ochie ahụ. Ọ̀dị ike dị nime ihe ndị ahụ, miri grep (grape) ahụ maọbụ achịcha ahụ? É-è! Enwere ndị naeche na ọ dị. Nzukọ nke Roman Catholic emepụtawo òzízí nke nnwogha: nke ahụ pụtara na anaesite n'ọlụ ebube nwoghaa achịcha na mmanya ahụ íghọ̀ ezigbo Anụarụ na Ọbara nke Onyenweanyị ahụ nke awụsịrị. Ha emewo ihe Ndị Ju mere: ha ewerewo ihe Chineke zubere ịbụ náánị ụdị iji gosi onyinye nke ihe ahụ anaahụghị anya, wee mee nke ahụ ka ọ bụrụ ihe ha naefè òfùfè.

N'oge nke Ilai ndị Israel buuru igbeọgbụgbandụ ahụ, n'ụzọ megidere Iwu, site n'Ulọikwuu ahụ wee bubata ya nime ọgbọ agha ahụ. N'ihi gịnị? N'ihi na ha chere na igbeọgbụgbandụ ahụ nwere urù na ike ụfọdụ nime ya nke gaenye ha mmeri n'ebe ndị Filistia nọ. Chineke baara ha mbá site ná mmeri dị óké egwu nke emeriri ha wee kwe kwa ka Igbeọgbụgbandụ ahụ daba n'aka ndị náekweghịekwe n'ihi na ha aghọtahiewo ihe ọ pụtara wee naahụta ike nime Igbeọgbụgbandụ ahụ n'onweya.

Mgbe òtù okpukpé ọ bụla naewere ụdị maọbụ òyíyí wee naéfè ya òfùfè, òfùfè ahụ aghọwo ikpere arụsị apịrịapị -- ọ bụghị kwa ihe ọzọ. Igbeọgbụgbandụ ahụ n'ebe ndị Ju nọ n'oge ahụ aghọwo ikpere arụsị apịrịapị. Náánị urù nke ụkpụrụ, ichụàjà na onyinye niile ndịa nwere bụ ihe ahụ dị mkpà nke imemmụọ nke ha nọchiri anya ya.

Chineke atọwo ntọala nke Ụlọikwuu ahụ na akụkụ dị icheiche nke ijéozi ya nime mweda onweonye n'ala rue ọnọdụ nke mmadụ ekereèkè. Ndị Israel apụtawo site n'Ijipt; ha dị ka ụmụntakịrị ndị náenwebeghị ezi nghọta. N'ụlọakwụkwọ ụmụaka ọ bụrụ na mmadụ chọrọ ikuzi ọnụọgụgụ, ọ naewere ụzọ ihe abụọ dịka ihe ịmaatụ̀, wee jikọta ha ọnụ: otù na otù mere abụọ. Ọ bụrụ na ha chọrọ ikuzi otù ihe ekewasịrịekewasị, ha nwere ike were otù ụdara kewaa ya ụzọ abụọ ra nrata, maọbụ ụzọ dị icheiche dịgasị ntà iji gosi otú mpaghara dị icheiche si mee otù. Ma mgbe ụmụakwụkwọ ahụ mụtatụworo ihe nkenta ha naahụzi náánị ọnụọgụgụ ahụ nke edereede n'elu ụgbọojii. Oge ụfọdụ ha anadịghị enwe nke ahụ edere n'elu ụgbọojii: kama ha na esite esite n'ọgụgụ isi ha lụpụta usoro nke ọnụọgụgụ ahụ, n'ihi na ha nọzi n'ọnọdụ dị elu.

Onyenweanyị mesoro ndị nke Ya n'otù ụzọ ahụ. Ndị Israel na agafe nime oge ọ̀zụ̀zụ̀ nke ụlọakwụkwọ ụmụaka, n'ihe nke imemmụọ, Onyenweanyị naewedata Onweya ala rue adịghịike ha niile, wee guzobe ihe ndịa iji kọwaa ihe nke imemmụọ. Ma ha rapụrụ ịhụ́ gafee ihe nkọwa ahụ. Ha ahụghị Jisọs Onye ọ naatụ̀ aka banyere.

**Ákwàmgbochi Ahụ**

**"Ma Jisọs were oké olu ti nkpu ọzọ wee ra mọ-Ya nye Chineke.**

**"Ma le, ákwà-ngbochi nke ulo nsọ Chineke gbawara iberibe abua site n'elu rue ala; ala ma-kwa-ra jijiji, oké nkume gbawa-kwa-ra" (Matiu 27:50, 51).**

Mgbawa nke ákwà mgbochi ahụ naegosipụta na ụzọ ịbànye nime Ebe Nsọ kachasị ebe Nsọ niile ka emegheworo.

**"Ya mere, umu-nnam, ebe ayi nwere nkwuwa-okwu ibà n'ebe nsọ ahu site n'ọbara Jisọs.**

**"Bú uzọ Ọ mere ọhu nye ayi, nke di ọhu di kwa ndu site n'ákwà-ngbochi, nke ahu bu, anu-aru-Ya" (Ndi-Hibru 10:19, 20).**

Ákwàmgbochi ahụ naanọchite anya ụdị anụarụ ahụ nke Onyenweanyị Jisọs Kraist, nke agbawara ná mkpọgide n'obe. Emeghere ụzọ ahụ ịbànye nime Ebe Nsọ ahụ kachasị ebe Nsọ niile, ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ, nke anaemebeghị ka ọ pụta ìhè rue oge ahụ. Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ bụ otù ihe nke eji gosi ihe dị iche n'etiti Agba Ọhụụ ahụ na nke Ochie n'ụzọ nke nnwapụta dị icheiche nke imemmụọ nke ha náenweghị n'oge Ochie ahụ.

**Nnwapụta Atọ Dị icheiche**

Ha nwere ịgụmmadụ n'onye eziomume, ha nwere ebe ịchụàjà nke ọla nke náegosi ná mpụta nke Ụlọikwuu ahụ nime ogige ahụ. Nke a n'ụzọ dị mkpà naegosi ịgụmmadụ n'onye eziomume, n'ihi na n'ebe a ka anaeweta ihe ịchụàjà nke mmehie, maọbụ njehie; ma mgbe onye ahụ nke náeweta ihe ịchụàjà ahụ wetara ya n'okwukwe, ewee chụọ àjà ahụ dịka ọ dị n'Iwu, anaagbaghara mmehie ya niile. Ọ bụrụ na ọ naara ya n'okwukwe, ọ naenweta ezi nnwapụta nke nzọpụta dịka anyị onweanyị naeweta kwa n'ebe ịchụàjà taa.

Anyị naahụ ịdị mkpà nke Ebe Nsọ ahụ ná Ndi-Hibru 13:11, 12:

**"N'ihi na ozu anu nile anēwebata ọbara-ha n'ebe nsọ site n'aka onye-isi-nchu-aja dika àjà achuru banyere nmehie, anērechapu ozu ahu ọku n'azu ọmuma-ulo-ikwu."**

**"N'ihi nka Jisus, ka Ọ we site n'ọbara nke Ya onweya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n'azu ọnu-uzọ-ama nke obodo."**

Onyeisi nchụàjà naewere ọbara nke ókéehi ahụ bànye nime Ebe Nsọ ahụ, ma tupu ya abaa nime Ebe Nsọ ahụ kachasị ebe Nsọ Niile ọ naefesa ọbara ahụ n'elu mpi niile nke ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ. Agwakwara anyị na Iwu ahụ chọrọ ka ewepụ ha n'azụ obodo ma suree ha ọkụ, bụ anụ ndị ahụ ewebara ọbara ha n'ebe nsọ.

**"N'ihi nka Jisus, ka O we site n'ọbara nke ya onweya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n'azu ọnu-uzọ-ama nke obodo."**

Gịnị kwa ka anyị gaakọwa na ọ bụ ihe o ji dị mkpà iweba ọbara ahụ nime ebe nsọ na ifesa ya n'elu ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ? Odudonsọ. Anyị nwere ihe mgbakwasị ụkwụ nime Akwụkwọnsọ maka nke ahụ.

Ebe nke atọ (Ebe Nsọ ahụ Kachsị ebe Nsọ Nile) nke emeghere n'oge a site ná mkpọgide n'obe nke Jisọs Kraist ka anyị wee nwee ike ịbanye ná mkwuwaokwu nime ebe ahụ nke náánị onyeisi nchụàjà baworo otù ugbò kwa arọ, náenye anyị ohere nke ha náewnwghi n'Agba Ochie ahụ. Náánị ihe anyị pụrụ ịkọwa bụ na nke ahụ bụ óké ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ, ebe anyị naenwe Shekina ahụ nke Onyenweanyị na anọkwasị anyị ọbụná dịka ireọkụ ahụ nọkwasịrị ndị naesoụzọ Ya mgbe Mmụọ Nsọ gbadatara n'Ụbọchị Pentitọst.

Nime Ụlọikwuu ahụ ka enwere ihe nọchiri anya nnwapụta atọ ahụ dị ukwu nke Chineke naenye: ịgụ mmadụ n'onye ezi omume, odudonsọ, na ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ.

**Oge nke Idoziihe**

**"Ebe ha bu náni (ha na ihe-oriri na ihe-ọñụñu na ime baptizm di iche iche) ihe di iche iche nke anu-aru aguru n'ihe ziri ezi, enyere n'iwu rue oge imezi ihe" (Ndi-Hibru 9:10).**

Ọ bụghị ihe siri ike ịmata ihe oge ahụ nke idozi ihe bụ: ọ bụ oge ahụ mgbe agaeme ka ihe nke ihe ndịa niile pụtara doo anya, Ọgbọ ahụ nke Amara.

**Ezi Ụlọikwuu ahụ**

**"Ma Kraist, ebe Ọ bịara ka Ọ buru onye-isi-nchu-aja nke ezi ihe nile gaje ibia, O sitere n'ulo-ikwu ahu nke ka uku na nke zuru okè kari, ọ bugh nke eji aka me, nke isi-ya bu, ọ bugh nke òkìkè a" (Ndi-Hibru 9:11).**

Amara Ụlọikwuu ahụ n'ọzara, ma ezi Ụlọikwuu ahụ, bụ nke o kwuworori ihe banyere ya dịka na ọ bụ nke Onyenweanyị mara na abụghị mmadụ, dị n'Eluigwe.

**"N'ihi na Kraist abàgh n'ebe nsọ eji aka me, bụ́ ihe-atù yiri ebe nke bu ebe nsọ n'ezie; kama Ọ bàra n'elu-igwe onwe-ya, igosi Onwe-ya n'iru Chineke n'ihi ayi ugbu a" (Ndi-Hibru 9:24).**

Emezuru ijéozi niile nke Ụlọikwuu ahụ nime ya mgbe Ọ banyere n'ọlụ nke Onyenchụàjà Ya.

**"O sitegh kwa n'ọbara nke ewu na nke umu-ehi, kama O sitere n'ọbara nke Ya onwe-ya, ba n'ebe nsọ náni otù mgbe, ebe Ọ chọputara ngbaputa ebigh-ebi" (Ndi-Hibru 9:12).**

Onyeisi nchụàjà ahụ n'oge niile naeji ọbara bànye n'Ụlọikwuu ahụ. Ndịnchụàjà ahụ abịarukwaghị Onyenweanyị nso náejighi ọbara. N'ihi nke a ọ dị mkpà na Jisọs, dịka Onyeisi nchụàjà, kwesịrị iji ọbara. Ndịnchụàjà ahụ naeweba ọbara nke ókéehi na ewu. N'ebe a anyị nwere mmezu zuruòkè nke ijéozi nke Ụlọikwuu ahụ mgbeJisọs bara n'Ụlọikwuu ahụ nke dị nime eluigwe, náewere Ọbara nke Ya Onweya bụ́ nke Ọ gaeji náarịọarịrịọ.

**Ọbara nke Jisọs**

**"N'ihi na asi na ọbara nke ewu na nke oké-ehi, na ntu nke nwa-agbọghọ-ehi, mgbe ọ nēfesa ndi emeruworo emeru, nēdo madu nsọ ime ka anu-aru ha di ọcha:**

**"Ọbara Kraist, Onye sitere n'aka Mọ ebigh-ebi che Onwe-ya nātagh uta n'iru Chineke, gēsi aña ghara ime akọ-na-uche-ayi ka ọ di kari ọcha nke-uku ri nne pua n'ọlu nile nwuruanwu ikpere Chineke di ndu?" (Ndi-Hibru 9:13, 14).**

Nke ahụ naegosi anyị akụkụ nke o nwere n'ihe nke imemmụọ, na site n'Ọbara nke Jisọs anaeme ka akọnauche anyị dị ọcha. Ọ bụ ya mere na ọ dịghị amamikpé dịrị ndị ahụ bụ́ ndị nọ nime Kraist Jisọs. Ọ bụ akọnauche naeweta amamikpé. Mgbe asachara ya ma mee kwa ka ọ dị ọcha anaghị enwe amamikpé ọ bụla.

Àjà ahụ nke Jisọs Kraist chụrụ laghachiri azụ rue n'oge nke Iwu; o rutere Ndị Ju; ma gaa kwa n'iru rute Ndị Mbaọzọ. Ọ bụ Mkpuchimmehie nke zuruezu ma baa kwa urù n'ụzọ niile nye ụwa niile. O metụtara mmadụ niile ma ndị Ju na Ndị Mbaọzọ. Ọ bụghị náání nke ahụ, kama ọ bụ nke emezuru náání otù mgbe nye mmadụ niile. Jisọs abanyeghị kwaarọ dịka otù onyeisi nchụàjà dị ukwu si emee; kama enyere nke a a náání otù mgbe maka mmadụ dum, n'ụzọ dị otú a ọ naeguzo kwa dịka Mkpuchimmehie nke náadị ebighịebi, Mkpuchimmehie ahụ dị ukwu nke Jisọs rọpụtara nye ụwa niile gburugburu, ná esetị rue n'ọgbọ niile na kwa n'oge niile.

Ị gaghị achọta nime mmeso niile nke Chineke nye mmadụ otù mgbe ebe onye ikpé náamaghị nwụrụọnwụ n'ihi onye ikpé mara ma ewezuga náání otù mgbe ahụ Kraist Jisọs nwụụrụ ndị mmehie -- onyeeziomume. Anyị naachọta ebere n'iru Onyenweanyị, kama ọ bụghị n'ihi ịdịmma ọ bụla nke anyị nwere. Ọlụ ọma ọ bụla, ịhụ n'anya ọ bụla anyị naegosi, obiebere ọ bụla agaghị azụta ebere Ya nke dịkarịsịrị ntà.

Ọ bụ ezie na anaakwụghachi anyị ụgwọọlụ n'ihi eziomume niile anyị. Anaakwụghachi anyị ụgwọọlụ niile nke anyị lụrụ nime Mmụọ (ma náání ndị nke alụrụ nime Mmụọ). Ma anyị adịghị achọta ebere n'iru Onyenweanyị site n'ihe ọ bụla nke anyị naeme. Náání ụzọ nke onye ọ bụla (site n'onye ahụ nke kachasị mma rue n'onye ahụ nke kachasị njọ), pụrụ isi chọta amara ọ bụla n'anya Onyenweanyị bụ site na Mkpuchimmehie ahụ.

**Ọgbụgbandụ Ọhụụ ahụ**

**"Ọ bu kwa n'ihi nka ka Ọ bu onye-ogbugbo nke ọgbụgba-ndu ọhu."**

Nke ahụ bụ kwa otù okwu ahụ nke atụgharịworo n'ebe ọzọ "Ọgbụgba-ndụ." Apụkwara nnọọ ịkpọ ya Ọgbụgbandụ Ochie ahụ na nke Ọhụụ ahụ -- okwu ndị ahụ bụ otù. Ma o webatara okwu ahụ "testament" n'ebe a n'ihi na ọ naewepụta oyiyi ọzọ. Testament n'asụsụ anyị (English) bụ kwa, ọchịchọ nke mmadụ nke edere n'akwụkwọ -- nke ọgbụgbandụ náabụghị. Ya mere n'oge a anaekwu okwu a ọ kpọrọ ya testament.

Ọ bụ mgbe Jisọs Kraist nwụsịrị ka ọchịchọ maọbụ ọgbụgbandụ Ya ruru anyị aka anyị wee bànye nime ya. Mgbe O risịrị nrianyasị ikpeazụ ahụ wee nye kwa ndị náesoụzọ Ya iko ahụ Ọ sịrị, "N'ihi na nka bu ọbaram nke ọgbugba-ndù ọhu ahu" (ma-ọbụ Ọgbụgbandụ Ọhụ ahụ nke ewebataworo).

**Ịdị mkpà nke Ọbara Ahụ**

**"N'ihi na mgbe Moses gwararị ndi Israel nile ihe nile ọ bula enyere n'iwu dika iwu ahu si di,…"**

Eburu ụzọ nye Iwu ahụ, mgbe emesịrị nke ahụ edere ya n'akwụkwọ wee weta ya n'iru ndị ahụ.

**"….ọ nara ọbara nne umu-ehi na ewu nile, ya na miri na aji-anu uhie na hyssop, …."**

Hyssop ahụ, bụ́ osisi ntà nke n’eto n’obodo ahụ, ka anaeji ogbo uhie kedo ya gburugburu ma were kwa ya náefesa ọbara ahụ. Nke ahụ bụ ihe Onyedere Abụ̀ Ọma naarụtụaka mgbe ọ sịrị, **“I gēwere hyssop wepu nmehiem, m’gādi kwa ọcha”** (Abù Ọma 51:7).

> **“Ọ fọduru ihe ntà ka m’ si na eji kwa ọbara eme ihe nile ka ha di ọcha, dika iwu-ayi si di, ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh ngbaghara nmehie adigh.”**

> **“Ya mere ọ di nkpa ka ewere ihe ndia me ka ihe-nñomi nile nke ihe nile di n’elu-igwe di ọcha; ma ọ di nkpà ka ewere àjà ka ndia nma me ihe ahu onwe-ha nke di n’elu-igwe ka ha di ọcha” (Ndi-Hibru 9:22, 23).**

Ihe nlereanya ahụ niile nke ihe dị n’eluigwe ka eji ọbara okéehi na nke ewu mee ka ha dị ọcha, ma ihe niile ahụ nke dị n’eluigwe n’onweha, ebe esi were ihe ilereanya ahụ, dị mkpà na agaewere ihe niile ka mma mee ka ha dị ọcha.

> **“N’ihi na Kraist abàgh n’ebe nsọ eji aka me, bu ihe-atù yiri ebe nke bu ebe nsọ n’ezie; kama Ọ bàra n’elu-igwe onwe-ya, igosi Onwe-ya n’iru Chineke n’ihi ayi ugbu a” (Ndi-Hibru 9:24).**

**Mpụtaìhè niile na Ọ́kwá Ijéozi niile nke Kraist**

Ọ dị ụzọ mpụtaìhè atọ kachasị mkpà nke eji mechie ebeọgụgụ a nke anyị chọrọ ikwu ihe banyere ha. Anyị gaewere ha n’usoro dịka akụkọ ha si dị ọ bụghị dịka esi wepụta ha n’ebe ọgụgụ a. Nke mbụ bụ amaokwu nke 26:

> **“N’ihi na asi na ọ di otú a Ọ ghagh ihu ahuhu ọtutu mgbe site na ntọ-ala nke uwa: ma otú ọ di, ọ bu náni otù mgbe nime nruzu nke oge ndia ka emeworo ka Ọ puta ìhè, ka O we site n’ichu Onwe-ya dika àjà me ka nmehie ghara idi irè.”**

Nke ahụ naekwu ihe banyere ọbịbịa Ya nke mbụ, nke ahụ bụ kwa ihe O bu n’obi wee bịa: iché Onweya dịka àjà. Nke ahụ bụ ihe kachasị mkpà nke O ji maka ya bịa. Ọ bụ ezie na Ọ bịara izi anyị òzízí dị icheiche; Ọ bịara dịka onye náanọchite anya Chineke n’ụwa; Ọ bụ ezi ihe ilereanya; Ọ kụziri ụ̀kpụ̀rụ̀ dị icheiche nke náemetụ akọnauche nke mmadụ ọ bụla. Ma nke ahụ abụghị isiihe n’ijéozi Ya nime ụwa nke a. Isiihe kachasị mkpà n’ijéozi Ya bụ na Ọ bịara ịchụ onweya dịka àjà nye ụwa; ọ bụ náánị n’ụzọ dị otú a ka Ọ pụrụ ịbịa ka O wee zọpụta ndị mmehie. O weghị iheọzọ dị ala karịa nke a iji zọpụta ha.

Mpụtaìhè nke abụọ ka anyị naahụ́ nime amaokwu 24:

> **“N’ihi na Kraist abàgh n’ebe nsọ eji aka me, bú ihe-atù yiri ebe nke bu ebe nsọ n’ezie; kama Ọ bàra n’elu-igwe onwe-ya, igosi Onwe-ya n’iru Chineke n’ihi ayi ugbu a.”**

Nke ahụ bụ mpụtaìhè Ya nke ugbò abụọ. Nke ahụ bụ ọkwá nke ijéozi nke Ọ naemezu ugbu a. Kemgbe ihe dịka otù puku na narị arọ iteghete (19 centuries) ndịa ka Ọ naanọkwasị n’Ocheeze Ya nke ịbụ Onyeogbugbò. Ugbu a amaokwu nke 28:

> **“N’uzọ ra otú a Kraist, ebe echere Ya n’iru Chineke náni otù mgbe iburu nmehie nile nke ọtutu madu, Ọ gēme kwa ka ndi nēche Ya hu Ya anya nke ugbò abua, ma nmehie adigh ya ka ewe zọputa ha.”**

Nke ahụ fọdụrụ ịbụ ihe agaemezu mgbe Ọ gaabịaghachi ọzọ. Ndịa bụ **óké mpụtaìhè** atọ Ya: naabịa na nke mbụ ịchụ Onweya dịka àjà; naewere Ọbara Ya bànye nime Ebe Nsọ kachasị ebe Nsọ niile ahụ; na ịrapụ Ocheeze nke onyeogbugbò ahụ wee were ọ́kwá nke ijéozi Ya dịka Eze. Anyị egosipụtawo site n’ọbịbịa ugbò atọ ndịa ọ́kwá Ya niile nke ijéozi dịka Onyeamụma, Onyenchụàjà na Eze.